# INWEREONWE ANYỊ NIME KRAIST

**Ndi Galetia 4:1-31; 5:1-15**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 399**

**Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ya mere nēguzosinu ike, unu ekwela ka ewere yoke nke bu ibu-orù tuhi unu ọzọ" (Ndi Galetia 5:1).**

**I Ndị nketa nke Kraist**

1 Onye nketa na anọ n'ịbụ orù rue mgbe o topụtara, Ndi Galetia 4:1-3; Luk 2:51

2 Ezitere Kraist ịgbapụta anyị site n'ịbụ orù, Ndi Galetia 4:4-7; Jọn 8:36; Ndi Rom 10:3

3 Mgbe emesiworo ka anyị nwereonwe anyị, gịnị mere anyị náalaghachị kwa n'ịbụorù? Ndi Galetia 4:8-10; Ndi Rom 6:2; 2 Pita 2:19-22

4 Oziọma ahụ nke Pọl ziri ka eji ọñụ nara, Ndi Galetia 4:11-15

5 Ndị òzízí ụgha duhiere Ndi Galetia, Ndi Galetia 4:16-21; 1:6, 7

**II Ọgbụgbandụ Abụọ**

1 Anaewere ụmụ ndịkom abụọ nke Abraham dịka iheịmáàtụ̀, Ndi Galetia 4:22-24; Jenesis 17:15-21; 21:9-13

2 Ishmael bụ ụdị onye Juu nke anụarụ, Ndi Galetia 4:25, 29

3 Aisak bụ ụdị onye Juu nke imemmụọ, Ndi Galetia 4:26-28; Ndi Rom 2:28, 29

4 Onye Juu nke imemmụọ nweereonwe ya, Ndi Rom 6:22; 8:15, 16; Ndi Galetia 4:30, 31

**III Ọkpụkpọ̀òkù nke Inwereonwe**

1 Náeguzosinu ike n'inweonwe unu nke Kraist ji mee ka unu nwereonwe unu, Ndi Galetia 5:1-6

2 Ndị òzízí ụgha naegbochi mmadụ inwereonwe ya, Ndi Galetia 5:7-12

3 Ịhụn'anya na emezu ihe niile enyere n'iwu, Ndi Galetia 5:13-15; Ndi Rom 13:8-10; I Ndi Kọrint 13:4-7

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

### Onyenketa

Ọtụtụ oge mgbe arapụrụ àkụ̀ nye nwanwoke, adịghị ekwe ka o metụ ya aka rue mgbe o topụtara. Mgbe ọ ka bụ nwata ọ naaga ụlọakwụkwọ dịka ụmụntà ndịọzọ ndị bụ ogbenye ma eleghịanya. Dịka ụmụntakịrị ọ dịghị ihe ọ bụla dị iche n'etiti ha. Ya mere anyị naahụ́ Onyeozi ahụ ka ọ naewepụta eziokwu ahụ na mgbe Kraist bịara, anyị niile dị ka ụmụntakịrị náabịaru ná ntozuòkè ma náaghọta kwa inwereonwe anyị n'ebe ihenketa anyị dị. Lee otú nwanwoke ahụ nwere nnọọ onweya ugbu a! Ọ dịghị anụ kwa "Emetụkwala nke ahụ aka!" "Rapụ nke ahụ aka!" "Ị pụghị inweta nke ahụ!" Ihe mgbochi ochie ahụ niile ewepụwo ha ugbu a; ihenketa ahụ abụrụwo ihenketa ya; o tozuwo òkè.

### Ịnọnáagbụ nke Iwu ahụ

Iwu ahụ na ọtụtụ ememe ya webatara ndị ahụ n'agbụ. Ọ bụ n'ihi na ha amataghị ịgụ mmadụ n'onyeeziomume site n'okwukwe. Ha naejègharị ime ka eziomume nke onweha guzosieike site n'ọlụ niile nke Iwu. "N"ihi na, ebe ha nāmagh ezi omume Chineke, nāchọ kwa uzọ ime ka ezi omume nke aka ha guzo, ha edogh onwe-ha n'okpuru ezi omume Chineke" (Ndi Rom 10:3). Ụfọdụ mmadụ n'ụbọchị taa naekwosa otù ùkpụ̀rụ̀ a site náabịakuteghị Kraist maka mgbaghara nke mmehie. Ha naagbalị ibindụ nime Iwu Ọlaedo ahụ. Ha naamanye onweha ịjụ ụfọdụ ihe ndị ahụ dị njọ. Ihe ndịa niile naeweta ha

n’ịnọnáagbụ. Ọ bụrụ na ha gaabịakwute Kraist ewee zọpụta ha, aga agbanwe ụdị ha mee kwa ka ha mata inwereonwe niile nke ụmụ Chineke.

Nke a pụtara na OnyeKraist adịghị eme ihe ndị ahụ bụ mmehie, n’ihi na ewepụwo ọchịchọ nke ime mmehie. Ewepụwo kwa agbụ nke Setan; o wee hụ onweya n’onye nwere onweya ibindụ dịka ọ chọrọ. Nke a bụ ezi inwereonwe. Onyemmehie nọ n’agbụ nke mmehie. Ọ pụrụ ịchọta onweya n’agbụ nke ịñụ mmaya. Ọ naachọ ịrapụ ya ma o nweghịike ime ya. Ma mgbe ọ bịakwutere Kraist anaetiji agbụ niile nke mmehie. Ebe emeworo ka o nwereonwe ya mmadụ pụrụ ibindụ dịka ọ chọworo ibi mgbe ọ nọ n’okpùrù Setan ma o nweghị ike n’ihi na ọ nọ n’agbụ. “Ya mere ọ buru na Ọkpara gēme ka unu pua n’orù, unu gābu ndi puworo n’orù n’ezie” (Jọn 8:36).

Onye ahụ nke Kraist meworo ka ọ pụọ n’orù ọ̀ gaenwe agụụ ịnọ n’agbụ ọzọ? Onye nke mmanya keworo agbụ mgbe emeworo ka o nwereonwe ya ọ gaachọ kwa ịgbalị ọzọ ibi ndụ ziriezi n’ike nke onweya mgbe ọ matasịworo inwereonwe pụọ n’ọchịchọ ọjọọ niile?

**Ndị amụma ụgha**

“Unu nēlezi anya idebe ubọchi, na ọnwa, na oge, na arọ.” Ọ̀ gaabụ na anyị apụghị ikwu otú a banyere ndị ahụ náedebe Ụbọchịizuike nke ndị Juu taa? Ha gaachọ iweghachị anyị n’okpùrù agbụ nke Iwu ahụ nke Kraist meworo ka anyị nwereonwe anyị na ya. “N’ihi na Kraist bu nsọtu iwu iwetara onye ọ bula nke kwere ezi omume” (Ndi Rom 10:4).

Mgbe Pọl kwusara ndị Galetia Oziọma mbụ, ha ji obi náanụọkụ nara ya. Ha nabatara ya dịka “Mọozi nke Chineke.” Ha jikeere ịghụpụta anya ha abụọ nye ya. Gịnị wetara mgbanwe ahụ ugbu a?

Ndị amụma ụgha abatawo wee chigharịa obi ha site n’ebe eziokwu ahụ dị. Ndị ahụ nwere ọnụnụọkụ n’obi n’ebe Iwu Moses dị chọrọ iwebata ndị Galetia n’agbụ nke Iwu ahụ. “Ọ di nma ka ewere obi nānu ọku chọ unu n’ihe ọma mgbe nile.” Ma lee otú o si dị nwute ịhụ mmadụ ka ọ naechigharị site n’ebe Eziokwu dị ma nwee ọnụnụọkụ n’obi n’òtù ndị náagbasa ụgha! Ndịama Jehova naebipụta akwụkwọ ugha ha n’ọnụọgụgụ dị ukwu. Ndị Communism ebiputawo akwụkwọ mgbasaozi nke ekwensu otú o kwesịrị ime ka mpempe akwụkwọ a bànye n’aka nwoke, nwnyị maọbụ nwtakirị ọ bụla nime ụwa. Ọ gaabụ na anyị onweanyị dịka ụmụ nke Eze agaghị enwe eziọnụnụọkụ n’obi banyekwara Oziọma nke Jisọs Kraist?

**Aisak na Ishmael**

Abraham mụrụ ụmụ ndịkom abụọ. Aisak sitere na Sera ma bụrụ kwa nwa nke mkwà ahụ, ọ̀mụ́mụ́ ya dị kwa ebube. Ishmael sitere na Hega (Agar), orù nwanyị ma ọ̀mụ́mụ́ ya sitere n’ọchịchọ nke anụarụ. Nke a bụ iheatụ nke ndị Juu n’anụarụ na nime mmụọ. Ndị ahụ nke amụrụ site n’anụarụ ma bụrụ kwa ndị nọ n’agbụ nke Iwu bụ iheatụ nke ụmụ Ishmael. Ụmụ Abraham nime mmụọ bụ ndị ahụ nke nọ n’okpùrù amara, ha bụkwa ụmụ Jerusalem nke eluigwe ha anọghịkwa náagbụ. “Gini ka ihe edeworo n’akwukwọ-nsọ nēkwu? Chupu orù nwayi a na nwa-ya nwoke: n’ihi na nwa-nwoke orù nwayi a agagheso nwa nke nwayi ahu nke nwere onwe-ya keta ihe. N’ihi nka, umu-nnam, ayi abugh umu nke orùnwayi, kama ayi bu umu nke nwayi ahu nwere onwe-ya.” Lee otú anyị kwesịrị ijupụta n’ekele n’ihi inweonwe anyị nke Kraist ji mee ka anyị nwereonwe anyị! Inwereonwe a naabịa site n’ọ̀mụ́mụ́ dị ebube nke imemmụọ -- ọ̀mụ́mụ́ ọhụụ ahụ.

Chineke gwara Abraham: “M’gēme kwa ka nkpuru-gi ba uba dika kpakpando nke elu-igwe, na dika ájá di n’usọ óké osimiri” (Jenesis 22:17). Ụmụ Abraham nime mmụọ ka ejiri tụnyere kpakpando nke eluigwe, ma ụmụ Abraham n’anụarụ ka eji tụnyere ájá nke dị n’ụsọ óké osimiri.

**Apụghị Iguzo N’etitiụzọ**

“Atọpuru unu n’aru Kraist, unu ndi nāchọ ka ewere iwu gua unu ná ndi ezi-omume; unu siri n’amara dapu.” Baịbụl mere ka ọ pụta nnọọ ìhè na anyị apụghị “inọ n’ihe abua n’otù mgbe.” Ọ bụrụ na anyị nọ n’okpuru amara anyị anọghị n’okpuru iwu. Ọ bụrụ na agụrụ anyị ná ndị eziomume site n’Iwu anyị esitewo n’amara dapụ. Ụfọdụ mmadụ n’ụbọchị taa naagbalị n’ike nke onweha na n’ọlụ nke akaha

ịba n'Eluigwe. Ọ dị mkpà ka agụọ ha ná ndị eziomume site n'okwukwwe -- nke bụ, ka amụọ ha ọzọ -- ka ha wee nwee nzọpụta.

"Unu nāgbari ọsọ nke-ọma." Lee otú o si dị mwute na ndịòzízí ụgha gaemebi mmalite ọma ahụ! Anyị onwe anyị aghaghị ịnọ ná nché taa imegide isí n'ezi Oziọma ahụ wezuga onweanyị bụ́ nke akụnyeworo n'obi anyị site n'aka ndị ahụ kụworo mkpụrụ nke òzízí nke Ndịozi. N'Ụbọchị Pentikọst Chineke nyere mmadụ 120 ahụ Mmụọ Nsọ bụ́ ndị nọ n'otù obi. Nke a bụ mmalite nke "mmiri-òzùzò mbụ." O zokwasịkwara Mmụọ Ya n'arụ otù ọgbakọ nke ndị kwereekwe nọ na Lọs Angelis n'arọ 1906, nke bụ mmalite nke mmiriòzùzù ikpeazu." Chineke kanyere àkàrà nke mkwagide Ya n'òzízí niile nke Okwu Chineke dịka ewepụtara ya na Apostolic Faith. Site n'oge ahụ ndị òzízí ụgha agbaliworị iwepụ akụkụ ụfọdụ nke kachasị mkpà n'eziokwu ahụ nke dị nime Akwụkọnsọ. Chineke agbanwebeghị Baịbụl agbanwebeghị kwa, nzukọ Apostolic Faith agbanwebeghị òzízí mbụ ahụ nke okwukwe ha.

Pọl enweghị ohere ọ bụla nye ịrapụ ezi òzízí ahụ ma kwenyere òzízí ụgha. Ọ sịrị, "Ihe iko-achicha di ntà nēko ogbe utu ọka agwọrọ agwọ dum." "Ọ gādim nọọ nma ma asi na ndi nēkpù unu iru gēme onwe-ha onozi." "Ma asi kwa na ayi onwe-ayi, ma-ọbu muọ-ozi nke sitere n'elu-igwe gēzi unu ozi-ọma ọzọ tukwasi ozi-ọma nke ayi ziri unu ya buru anathema (ma-ọbu onye aburu ọnu)" (Ndi Galetia 1:8). Pọl kwusara, "Hu nmadu ibe-gi n'anya dika i huru onwe-gi," ma o wereghị onweya rapara n'arụ ekwensu maọbụ ndị náejere ya ozi. Ịhụn'anya na mnwekọ nke Ndị Kraist bụ ihe dị ebube ma ha adịghị eru n'ebe ndị amụma ụgha nọ maọbụ ndị ahụ náadịghị añã ntị n'Okwu Chineke niile.

### Ịhụn'anya

Ezi inweonwe anyị bụ ihe dị ebube, ma o nyeghị anyị ike ijeso ihe nke anụarụ maọbụ inwe agụụ n'ihe nke ụwa. Ọ bụghị náání ịpụ n'orù ka nzọpụta naeweta, ọ naeweta kwa ịhụn'anya. "Ihun'anya adigh-alu ọlu ọjọ n'ebe onye-agbata-obi ya nọ." "Onye nāhu madu-ibe-ya n'anya edebezuwo iwu. N'ihi na okwu a, Akwala iko, Egbula madu, Ezula ori, Agu ihe ọjọ agula gi, ọ buru kwa na ihe ọ bula ọzọ di enyere n'iwu, achikọtara ya n'okwu a, bú, Hu onye-agbata-obi-gi n'anya dika onwe-gi" (Ndi Rom 13:8, 9).

### AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1 Gịnị bụ inwereonwe nke NdịKraist?

2 Gịnị ka eji tụnyere ndị Juu ahụ nọ n'okpuru iwu?

3 Òlee ụzọ ha si nwere onweha pụọ n'ịbuorù?

4 Ọ bụ kwa gịnị na akpọghachị ha ọzọ ịba n'ịbụorù?

5 Gịnị ka eji atụnyere ụmụ nwoke abụọ ahụ Abraham mụrụ?

6 Òlee ụzọ apụrụ isi ghọtahie okwu a bụ "inwere-onwe nke Onye Kraist"?

7 Kọwaa otú esi mezue Iwu niile ahụ n'otù okwu.

8 Gịnị naeme ndị ahụ náanwa ka agụọọ ha ná ndị eziomume site n'idebe Iwu?

9 Kwue otú ịnụọkụ n'obi gaesi bụrụ iheọma na iheọjọọ.

10 Gịnị bụ mmeso nke Pọl n'ebe ndị ahụ nwara ime ka Ndị Galetia debe Iwu ahụ nọ?